lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jizọs mere ka Ebili-mmiri nke oke osimiri ahụ kwụsị



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Jizọs na ndị na-eso ụzọ ya nọ n'ụgbọ mmiri mgbe nnukwu oké ifufe malitere.  O nuchapụrụ Oké Osimiri nke Galili n’iwe.  Ụdị oké ifufe a nwere ike ime ka ụgbọ- mmiri kpuo ma mekwa ka mmiri rie ndị mmadụ.

Oké ifufe ahụ tụrụ ndị na-eso ụzọ ya ụjọ. Ebili-mmiri kpuchiri ụgbọ mmiri ahụ, mee ka o jupụta na mmiri. Ma Jizọs nọ na-ehi ụra n’elu ohiri isi, na-arahụ n’oké ifufe ahụ. Ndị na-eso uzọ Ya kpọtere Jizọs, na-eti mkpu sị,



“Onye-nwe-anyị, Onye-ozizí, anyị na-ala n'iyì!”

“Gịnị mere unu ji atụ egwu, unu ndị okwukwe nta?” Ka Jizọs jụrụ ndị na-eso ụzọ ya.  Mgbe ahụ, Jizọs nyere iwu ka oke ifufe ahụ kwụsị ife ... ma ... Jizọs nyekwara iwu ka ebili mmiri ahụ nọrọ jụụ ...



OKE IFUFE AHỤ WEE JỤRỤ ... Oké osimiri ahụ nọrọkwara n’udo ma dere duu.  O tụrụ ndị na-eso ụzọ ya n’anya, ha wee na-asị, “Ònye bụ nke a, na ọbụna ifufe na oké osimiri na-erubere Ya isi!”





Ka ụfọdụ oge gasiri, ọ bụrụ na Jizọs nwekwara ọlụ ụbọchị ọzọ. Ihe karịrị mmadụ puku ise esorola ya rute n'ebe enweghị ihe dị ya. Site n'ike nke Chineke, Jizọs ji naanị nri nke otu nwa okorobịa zụọ ìgwè mmadụ ahụ dum. Ugbua, ọ bụrụla mgbede. Jizọs zipụrụ mmadụ niile ndị ahụ ka ha laa.

Ọbụna ndị na-eso ụzọ ya aghaghịkwa ịpụ. Jizọs mere ka ha banye n’ụgbọ ahụ buru ya ụzọ gawa n’ofe ọzọ nke Oké Osimiri Galili.





Mgbe O zipụrụ mmadụ niile ka ha lawa, Jizọs rigoro n'elu ugwu n'onwe ya ikpe ekpere. Ma mgbe o ruru anyasi, Ọ nọ n'ebe ahụ náaní Ya.



N'ime ọdọ-mmiri ahụ, oké ifufe jidere ndị na-eso ụzọ ya. Oké ifufe ahụ mere ka ha ghara ịgafe mmiri ahụ n'agbanyeghị na ha na-akwọ ụgbọ mmiri ruo ọtụtụ awa. Ndị na-eso ụzọ ya ahụ amataghị, ihe itụnanya gaje ime!



N’ebe dị n’agbata elekere atọ na isii nke ụtụtụ, n’etiti oke osimiri nke ifufe na-efegharị, ndị na-eso ụzọ ya hụrụ ihe juru ha obi. Ha wee kwaa ákwá sị, “Ọ bụ mmụọ!” Ma ọ bu Jizọs, Onye-nwe-ha na Onye-ozizi ha, na-abịakute ha, NA-EJE IJE N'ELU MMIRI.

Ma Jizọs kpọkuru ha sị, "Nweenu obi ụtọ!" "Ọ bụ m; unu atụla egwu." Pita zara sị, "Onye-nwe-anyị, ọ bụrụ na ọ bụ Gị, nye m iwu ka m bịakute Gị n'elu mmiri ahụ." Ya mere Jizọs sịrị, "Bịa." Pita ji obi ike si n'ụgbọ ahụ pụta banye na mmiri, gawakwuru Jizọs.





Ma mgbe ọ hụrụ
ka ifufe na-efeghari,
Pita tụrụ egwu ma
malite imikpu.  O tiri
mkpu sị, “Onyenwe
anyị, zọpụta m!”

Ozugbo ahụ, Jizọs setịrị aka ya jide Pita. “Gị onye okwukwe nta, gịnị mere i ji nwee obi abụọ?” ka Ọ jụrụ. Ma mgbe Pita na Onye-nwe-anyi Jizọs bara n'ụgbọ ahụ, ifufe wee kwụsị.



Ya mere, ndị nọ n'ụgbọ bịara na-akpọ isi-ala nye Jizọs si, “N'ezie, Gị onwe-gị bụ Ọkpara Chineke.”



Jizọs mere ka Ebili-mmiri nke oke
osimiri ahụ kwụsị

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Matiu Isi nke asatọ, Matiu Isi nke iri na anọ,
Mak Isi nke anọ, Luk Isi nke asatọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.